# ENYI ỌMA ABỤỌ
## 1 Samuel 14:1-16; 18:1-4; 20:42; 23:16-18; 2 Samuel 1:17-27
## Iheọ̀mụ̀mụ̀ Ọzọ

**Amaokwu Ibun'ụzọ: "Ihụ-n'anya adigh-alu ọlu ọjọ n'ebe onye-agbata-obi ya nọ" (Ndị Rom 13:10).**

Taa anyị gaje ịmụ ihe banyere otù nwaokorọbịa maramma bụ nwa otù eze. Nna ya bụ eze nke ndị nke Chineke niile n'Obodo Nsọ ahụ. Aha nwaeze ahụ bụ Jonatan, ọ bụ ezigbo mmadụ ná erube kwa isi. Jonatan hụrụ nna ya na ndị nke Chineke niile n'anya. Oge ndị mbaọzọ, ndị náekpere arụsị kama ifè ezi Chineke ahụ, bịara ịmekpa ndị Israel arụ, Jonatan nyeere nna ya aka wee chụpụ ha.

N'oge ọzọ ndị Filistia bịara wee guzobe ụlọikwu ha n'ofè ndagwurugwu site na ọmụma ụlọikwu nke ndị Israel, ndị Filistia ahụ bụ ndị dị ike, ha dị kwa ọtụtụ, ma ndị Israel amaghị ihe ha gaeme. Ugbu a Chineke jiri otù nwaokoro ọzọ onye hụrụ Chineke n'anya. Azọpụtawo yarịị o wee náekpere Chineke kwa ụbọchị, dịka anyị kwere nnọọ na Jonatan naeme. Anyị niile matara nwaokorọbịa a – aha ya bụ Devid.

Anyị chetara na okoroukwu ahụ bụ Gọlaiat, naapụta nime ndagwurgwu ahụ ụtụtụ ọ bụla na uhuruchi ọ bụla náetiku ndị Israel mkpu ka ha zipụta otù onye agha ya na ya gaalụ ọ̀gụ̀. Mgbe Devid hụrụ okoroukwu a wee nụ ka ọ naetiku ndị nke Chineke mkpu, ọ chọọ ịlụso Gọlaiat ọ̀gụ̀. Na mbụ eze ahụ sịrị ka Devid ghara ijé; ọ ka bụ nnọọ nwata nwoke, ike ya ezughị ịlụso okoroukwu ahụ bụ Gọlaiat ọ̀gụ̀, ma Devid gwara eze ahụ na Chineke gaenyere ya aka.

Devid matara na Chineke dị ukwuu dị kwa ike karịa okoroukwu niile ọ bụla nọ n'ụwa. Ọ gwara eze ahụ na mgbe ọ naanọ n'ugwú dị icheiche náelekọta atụrụ nke nna ya, otù ọdụm bịara wee buru otù nwaatụrụ site n'igwè atụrụ ahụ, o wee chụso ọdụm ahụ, nápụta nwaatụrụ ahụ site n'ọnụ ọdụm ahụ wee were aka efu gbuo ọdụm ahụ. N'oge ọzọ bear bịakwara iburu otù nwaatụrụ, Chineke wee nyere Devid aka gbuo bear ahụ.

Mgbe ahụ eze kwere ka Devid jéé. O were èbè ya na akpà onye ọ̀zụ̀zụ̀atụrụ ya, wee tụtụrụ nkume ise náakwọ mụrụmụrụ mgbe ọ naagafe iyi ntà ahụ. Náagbaghị agụgọ Devid naekpeekpere n'oge niile ahụ ọ naeme ngwangwa ijé. Mgbe ọ bịara nnọọ okoroukwu ahụ nso, o tinyere otù nkume n'èbè ya, féé ya gburugburu isi ya, wee mee ka ọ

pụọ. Chineke mere ka nkume ahụ jéé nnọọ nime egedegeiru nke okoroukwu ahụ, o wee daa n'ala!

Eze ahụ chọrọ ikwuru Devid okwu ọzọ mgbe o nwetasịrị mmeri ukwu ahụ. Náagbaghị agụgọ Jonatan naeguzo nso mgbe eze ahụ naekwuru Devid okwu, Jonatan wee hụ́ Devid n'anya n'ebe ọ dị ukwu. O nwereike o chere: nwata nwoke a hụrụ Chineke n'anya dịka m' naeme, m' gaachọ ka ọ bụrụ enyi m. Eze ahụ rịọrọ Devid ka ọ bịa binyere ha, obi wee tọọ Jonatan ụtọ. Jonatan adịghị achọ ihe nke onweya náánị; ọ chọrọ ka ya na Devid kekọọ ụlọ ọma ya na ihe ọma niile o nwere. O yipụrụ uwe mwụda ya wee chịnye Devid, ya na Devid wee kwe mkwà na ha ganaabụ ezi ndị enyi. Devid soro eze ahụ na Jonatan biri, wee nyere ha aka ịlụọ̀gụ̀ mgbe ndị iro nke ndị nke Chineke bịara imekpà ha arụ.

Ụmụmmadụ ahụ hụrụ Devid n'anya n'ihi na o nwere obiọma n'ebe ha nọ wee náenyere ha aka. Nke a mere ka eze ahụ nwee ekworo. Eze ahụ chọrọ ka ndị  ahụ náasọpụrụ ya wee náelegide ya anya karịa onye ọ bụla ọzọ. O chere na ndị ahụ nwereike chụpụ ya, wee mee Devid eze. Í cheghị na eze ahụ dịka ụmụntakịrị ụfọdụ ndị náachọ ịbụ ndị mbụ mgbe niile wee náachọrọ onweha ihe kachasị mma?

O nwereike Jonatan naeche na ya gaabụ eze  otù ụbọchị, ma mgbe ọ hụrụ otú Devid si bụrụ ezi mmadụ na otú o si enyere ndị mmadụ aka na ndị mmadụ hụrụ ya n'anya, ọ dịghị Jonatan njọ ma ọ bụrụ na  eme Devid eze. Ọ chọrọ ka ndị ahụ nwee ezi eze, ọ bụrụ na Devid nwereike inyere ndị ahụ aka karịa otú o nwereike ime, ọ chọrọ ka Devid bụrụ eze.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị mere Jonatan ji jéé n'ọmụma ụlọikwu ndị iro náánị ya na onye náebu ihe agha ya? 1 Samuel 14:6.
2. Gịnị ka Chineke mere iji nyere Jonatan na onye náebu ihe agha ya aka? 1 Samuel 14:15.
3. Òlee otú ịhụn'anya Jonatan n'ebe Devid ra? 1 Samuel 18:1, 3.
4. Òlee otú ịhụn'anya anyị n'ebe Chineke na ndị Ya nọ kwesịrị ịrà? Luk 10:27.
5. Ònye hụrụ anyị n'anya taa ọbụná karịa otú Jonatan si hụ́ Devid n'anya? Ndị Galatia 2:20.

## HỤ́ ONY’AGBATOB’Ị N’ANYA

CHENCHE, KPEE 186

s :l. d`.r`: r`: d`:-

Hụ́ ony’agbatob’ị n’anya,
Nka b’iwu Onyenweanyị
O mer’Onweya ih’atụ
N’ụz’ O si hụ anyị n’anya.